# Ǹgànùsòrò Ǹsìnọnọ̀dụ̀ Okwū

**Ilechukwu, Daniel Ihunanya**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
e-mail:di.ilechukwu@unizik.edu.ng
Phone: 08030886180

**Ụmị Ederede**
Asụsụ ọbụla nwere usoro mkpụrụokwu ndị mebere ya si agakọrịta. Asụsụ Igbo nwere iwu na-achịkwa ngakọrịta mkpụrụụda na ibe ya, ngakọrita mkpụrụokwu na ibe ya, ngakọrịta usorookwu na ibe ya, d.g. Ọ bụ iwu ndị ahụ na-achịkwa ngakọrịta mkpụrụokwu mkpọaha abụọ ndị bụ ogbo ka e nyochara n'ederede a kpọmkwem. Nsogbu kpaliri nchọcha a bụ na n'oge agbaraọhụrụ a, ụfọdụ ụmụamaala Igbo anaghị aghọta ihe kpatara okwu ogbo ndị e nyochara n'ederede a ji agakọrịta ọnụ. Ọ dị mkpa na e mere ka ha mata ihe omimi ndị a ka ha wee si na ya matakwuo ihe banyere omenala Igbo. Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịhazi okwu ndị a bụ ogbo etu ha kwesịrị isi gakọ dị ka o si metụta Igbo Izugbe. A kọwara ihe bụ nganusoro na njirimara ya. E zipụtakwara etu nganusoro si apụta ihe n'asụsụ Igbo. A chọpụtara n'ikpe azụ na ọ bụrụ na a tụsaa okwu ogbo ndị kwesịrị ịgakọ ọnụ, ebumnobi ha ji agakọ agaghị apụtazi ihe. A na-atụ aro na ndị ga-eme nchọcha na nganusoro n'ọdịnihu ga-emetụ aka na nganusoro metụtara mkpọaha, ngwaa na mmeju

***Abstract***
*The word order of every language is predicated upon its concord. The Igbo language concord covers a wide range of its phonem, word, structure, etc. This piece reviews the rules guiding the structure of twin words in theIgbo language. The problem that prompted this research is that in this modern times, many Igbo language users find it difficult to understand the reasons why some twin words in Igbo are being paired. This reseached paper considers it necessary to brings these secrets to limelight in order that these users of Igbo may be acquainted more with the Igbo language culture too. The general objective of this research is to structure these twin words in the order of their formation in line with the standard Igbo stipulations. The word used for the review that is supposed to be synonymous with'theory' is actually an antonym. Concord and its aptitudes are well elucidated. It was found out that if these twin words are separated, the aim of pairing them is defeated. It is recommended that future researchers extend their study of concord to nominal, verbal and compliment.*

**Ndubanye**

Nganusoro pụtara ngakọrịta mkpụrụokwu na ibe ya dị ka ntọala ụtọasụsụ si dị. Nganusoro e nyochara n'ederede a bụ nke metụtara mkpọaha ndị bụ ogbo nke otu ihe maọbụ nke ọzọ jikọtara. Ihe kpatara echicheokwu ji bata n'ederede a bụ maka na ọ bụ site na ya ka e ji ama mkpọaha ògbò ndị na-agakọ ọnụ. Okwu dị ka *Chukwu* na *Ekwensu* na-agakọ ọnụ maka na ihe dị mma si n'aka Chukwu, ebe ihe ọjọọ si n'aka Ekwensu abịa. Ihe ọzọ kpatara ha ji agakọ bụ na Chukwu bụ ya nwe ikike n'eluigwe ebe ekwensu nwe ikike n'ọkụmmụọ. Okwu abụọ ọzọ na-agakọ ọnụ bụ *mmụọ* na *mmadụ*. Ụwa Chukwu kere dị abụọ, nke a na-ahụ anya na nke anaghị ahụ anya. Ụwa a na-ahụ anya bụ ebe mmadụ bi. Ụwa anaghị anya bụ ndị mmụọ nwe ya na nghọta ndị Igbo. Ya bụ na mmụọ nọchiri anya ụwa anaghị ahụ anya ebe mmadụ nọchiri anya ụwa nke a na-ahụ anya. Mmadụ na-ebu ụzọ biee ndụ n'ụwa tupu ọ lakwuru ndị ichie n'ụwa nke anaghị ahụ anya. A gaghị ekwulata maka ụwa a na-ahụ anya n'ekwughị

maka ụwa anaghị anya. Ọ bụ ya kpatara e ji ekwukarị ụwa mmụọ na mmadụ. Ọ bụrụ na okwu ogbo ndị ahụ a na-ekwu maka ha ahapụ ịga n'usoro ndị a ha dịbara site na ntọala Igbo, echiche jikọrọ ha ga-efu. Ọ bụ ya kpatara e ji bagide nchọcha a.

**Ntụleghari Agụmgụ**

Gbasara ihe nganusoro bụ, dị ka ndị ọka mmụta ụfọdụ si kọwa, haekwuola na nganusoro nke a na-akpọkwa *ngakọrịta* bụ mmekọrịta dị n'etiti okwu na ibe ya n'usorookwu. Ụfọdụ ndị ọka mmụta kpọrọ nganusoro *nkwekọrịta.* A bịa n'ebe mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa nọ, okwu ahụ bụ *nganusoro*pụtara nkwekọrịta ime otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ. Mana n'amụmamụ asụsụ, ọ pụtara nkwekọrịta e nwere n'akụkụ abụọ nke otu ahịrịokwu nke dị ka iwu ụtọasụsụ ahụ si dị. N'ụfọdụ akwụkwọ ụtọasụsụ dị kaWelmers (1970), Yule (1996), Viberg (1999), Watanebe (2004) na e mere ka a mata na nganusoro pụtara na isiahịri, ngwaa na okwu ndị ọzọ mebere usorookwu ga-enwerịrị nkwekọrịta. Ya bụ, ọ bụrụ na ngwaa bụrụ Igbo izugbe, mmeju bụkwa Igbo izugbe ka ya na ya ga-agakọrịtanwu. Na nghọta ọtụtụ ndị, ihe bụ nganusoro bụ ịhụ na e nweghị nnupụ isi n'iwu ngakọrịta usoro okwu. Austine (1962) na Atụenyi (2009)mere ka a mata n'echiche nke ha na nganusoro bụ okwu mere ka o ghere anya oghe na ahịrịokwu ọbụla agbasoghị iwu ngakọrịta dị n'etiti isiahịrị, pesin, jenda na ngwaa enweghị isi ma ncha. Na nkọwa e nyere n'asụsụ French nke a tụgharịrị n'Igbo ebe a banyere nganusoro, a chọpụtara na nganusoro bụ mgbe e nwere ịga n'usoro nke kwesịrị ịdị n'etiti mkpọaha, nnọchiaha, nkọwa na ngwaa dị n'ahịrịokwu.Ahịrịokwu ọbụla nke agbasoghị iwu a anaghị aga n'ezi usoro.

E wezuga nkọwa ndị a dị n'elu, e nweela ọtụtụ ndị ọka mmụtamere nchọcha na nganusoro mana nke kara pụta ihe bụ nke e mere n'isiokwu a kpọrọ '*Broken Agreement: Cognitive Psychology'* na Bekee. E ji atụtụ ncheke mee nchọcha a. Etu e si malite amụmamụ nganusoro na nke a bụ na e nyere ndị njiri mee nchọcha *mmalite ahịrịokwu* ma sị ha mejuo ya. Ọmụma atụ mmalite ahịrịokwu e nyere na Bekee ka ndị njiri mee nchọcha mejuo bụ *'The key to the cabinet.'* A chọrọ ka a mata ma mmeju ahịrịokwu *ndị njiri mee nchọcha* ga-enye, ha ga-adaba nke ọma n'usoro ụtọasụsụ Bekee. Otu ọmụma atụ ndị njiri mee nchọcha a nyere bụ nke a, *'The key to the cabinets were missing.'* A gaghị agwa onye Bekee na e nweghị ezigbo nganusoro na mmalite ahịrịokwu ahụ na mmeju e nyere n'ihi na *'key'* bụ mkpọolu ebe ngwaa bụ '*were*' bụ ụbara. O kwesịrị ịbụ, *'The key to the cabinets is missing.'*(Hụ Bock na Miller, 1991). Nchọpụta Bock na Miller gosiri na mmejọ na-adịkarị n'ebe ọ metụtara mkpọaha na ngwaa dị n'ahịrịokwu dị ka ọ dị n'ahịrịokwu e ji maa atụ n'elu.

E deela ihe gbasara nganusoro n'asụsụ Griik n'isiokwu a kpọrọ *Negative Concord.* Otu ihe a rụtụrụ aka na ya bụ na nganusoro njụ kwesịrị inye ohere ka usoro ya bụrụ otu ihe n'asụsụ niile dị n'ụwa. O nwebeghị nkwekọrịta ọbụla e nwere n'arụmaka nchọcha a n'ihi na asụsụ niile dị n'ụwa abụghị otu. Ọ bụ ya kpatara na nchọcha gbasara arụmaka a ka na-aga n'ihu. (Hụ Ginnakidou, 1997). Nchọcha Ginnakidou gbadoro ọkpa naanị na nganusoro njụ n'asụsụ Griik mana o nweghi etu o si metụ aka n'agwa nganusoro iji mata ma arụmaka ya ọ ga-adaba n'asụsụ ndị ọzọ e nwere.

Na nchọcha ọzọ e merela gbasara nganusoro n'asụsụ *West Flemish* n'isiokwu a kpọrọ *Negative Concord and Multiple Agreement: A Case Study of West Flemish,*arụmaka pụtara ihe na ya bụ na a chọrọ ka ndị nka asụsụ nabata iji atụtụ *'mpeka'* na-enyocha nganusoro njụ n'asụsụ 'West Flemish' nakwa asụsụ ndị ọzọ. Lee anya na (Haegemen na Lohndal, 2010). E nwebeghị mkpebi gbasara nke a.

Nchọcha ọzọ e merela na nganusoro bụ nke a kpọrọ isiokwu ya *The Syntax of Agreement and Concord* n'asụsụ Bekee. Arụmaka nchọcha a bụ na ngakọrịta isiahịrị na ngwaa a na-enwe n'asụsụ Bekee kwesịrị ka e setịpụkwuo ya ka ọ metụta nkọwa, mkpọaha na nkwuwa. O teelarị e ji nwee mkpebi na nke a kwere omume n'asụsụ Bekee n'agbanyeghị na o nwere ike nwee asụsụ ndị ọzọ anabataghị ya. Gụọ Baker (2008). Nchọcha nke a sekere nkejiasụsụ niile ndị na-agakọ dị ka o si metụta nganusoro.

Nchọcha ọzọ e merela gbasara nganusoro bụ n'asụsụ Bekee ochie n'isiokwu a kpọrọ *Concord in the Grammar of Old English.* N'ebe a, e ji ngakọrịta a na-enwe n'isiahịrị na ngwaa Bekee ọhụrụ, tụlee ndị nke ochie. Nchọcha a gosiri na o nweghị ihe dị iche na nganusoro nke Bekee ochie na nke Bekee ọhụrụ ebe ha kabụ otu asụsụ ahụ. Lee anya na Biber (1999).

Ọ bụrụ na e nyochaa nchọcha ndị odee a dị n'elu, a ga-achọpụta na ndị ọka mmụta ewepụtala oge mee nchọcha na nganusoro n'asụsụ Bekee na ndị ọzọ. Mana naanị otu ihe pụtara ihe nke ọma na nke Igbo bụ nke e mere n'isiokwu akpọrọ '*Ungrammaticalities in Igbo,'*ya bụ, ndịpụ n'usoro a na-enwe n'ụtọasụsụ Igbo. NchọchaUdemmadụ metụrụ aka na mmejọ ndị a na-enwe n'ụtọasụsụ Igbo n'ebe ọ metụtara kwunkwukwa, inye ihe ndị enweghị ndụ ọnọdụ ihe nwere ndụ, e tinyezighị ụbara,d.g., mana Udemmadụ atụpụtaghị iwu ụtọasụsụ nye nganusoro.Udemmadụ nyere ndezi ahịrịokwu niile ndị e ji maa atụ e nwere mmejọ na ha, manao jighị atụtụọbụla mee nchọcha ya. Hụ Udemmadụ (2012).

Site n'inyocha ngalaba ndị ahụ ndị buru ụzọ mee nchọcha na nganusoro emetụghị aka n'elu, a ga-asị na edemede nchọcha a bụ nke ọhụrụ wee nye onye ọbụla ga-agụ ya. N'ịchịkọta ihe kpatara na e mebeghị ihe e mere n'ọrụ a mbụ, a ga-atụlekọrịta ọrụ a na ndị e nyochara n'elu. Nchọpụta Bock na Miller (1991) dị iche na mbunuche edemede a n'ihi na ha abụọ rụtụrụ aka na nganusoro hibere isi na ngakọrịta metụtara mkpọaha na ngwaa naanị mana nchọcha nke a setịpụkwuru aka na nganusoro metụtara nnọchiaha na ngwaa. Nchọcha nke a dịwaga iche maka na e ji azụ echiche okwu wee nyochaa nganusoro dị ka o si metụta ngakọrịta mkpọaha ndị bụ ogbo n'Igbo.

**Atụtụ mmado m̀bụ̀rụ**

Nchịkọta okwu ọtụtụ ndị ọka mmụta gosiri na onye wubere atụtụ mmado mbụrụ bụ Kikuwa (1963). Kikuwa kọwara n'atụtụ a na mmadụ inwe ike sị na otu ihe yiri ibe ya bụ ọrụ ǹkà nke dị n'ime mmadụ site n'okike ụwa. Mana Mbah na Edeọga (2012:41) gosiri na ndị malitere nchọcha n'ihe banyere atụtụ amụmechiche bụFilmore (1975,1976), Langacker (1975, 1991),Johnson (1987), Lakoff (1987, 1992), Fauconnier (1995, 2002), , Talmy (2000a, 2000b) na Geeraerts na Cuyckens (2007).

Anderson (1991) kọwara na atụtụ mmado mbụrụ na-enye nnukwu aka na nnyocha ihe dị ka edemede metụtara mmadụ inwe mkpebi n'ihe, nghọta, echiche, ǹkà mmadụ nwere, ọnọdụ mmụọ, nkọwa na ekwumekwu. Atụtụ mmado mbụrụ dị ọnọdụ ka ihe a malitere n'otū òtù (otu A) ma jedebe ya n'òtú ọzọ, ya bụ, (otu B); mana e mechaa na njedebe, ha ejedebe n'otu ihe yiri onwe ha. Gentner na Markman (1997) rụtụrụ aka na atụtụ mmado mbụrụ dị mkpa n'igbò mkpa na inyocha ǹkà asụsụ. E ji ya aghọta usoro e si enyocha ihe ndị yiri onwe ha; ma nke sitere na nghọta na ihe a na-ahụ anya. Ọ na-egosikwa ihe wetere ndịiche n'ihe ndị yiri onwe ha.

**Etu atụtụ mmado mbụrụ si enyocha data**

Na nnwale ha mere, Markman na Gentner (1996) gwara ndị nji atụle ka ha wepụtasịa ihe ndị dị iche n'etiti okwu mkpị dị iche iche. Ihe ndị njiatụle a nwalere kara wepụta ihe ndị iche n'okwu ndị kara yi onwe ha karịa okwu ndị ji obere ihe yi onwe ha. Nchọpụta a dabara n'ihe a kọwara na ***ndokọ mmado mbụrụ*** na ọ ga-akara ndị nji atụle mfe ịma ndị iche ọkpụrụkpụ okwu ndị yiri onwe ha karịa okwu ndị dị iche n'ibe ha.

Na nchọcha Kokinov, Feildman na Vankov (2007) mere, ihe bụ isi okwu ha bụ na usoro atụtụ mmado mbụrụ si abụ ọrụ ime obi nwere ike imetụta usoro e si ahazigharị ihe a na-ahụ anya. Ndị nchọcha a ji ihe na-eme na ndụ ụmụaka wee kwado àgụ̀gọ̀ ha. Ha kọwara na mmadụ na-ebido na nwata malite ọrụ nhazi ihe a na-ahụ anya, ndezi na ndekwa.Ọ bụ etu ahụ kwa ka e si eji uche ahazi usoro ụtọasụsụ ka o wee daba n'iwu ụtọasụsụ ọbụla.

N'itinye atụtụ mmado mbụrụ n'ọrụ, Clement na Gentner (1988), mere ka a mata na amamihe mmadụ nwere gbasara otù ngalaba amụmamụ nwere ike inyere ya aka ịghọta ngalaba amụmamụ ọzọ. Nke a ga-eme ka ọ ghọta myiri ha nke ọma ma mara ọdịdị ngalaba ǹke abụọ na etu o nwere ike ịdị

n'ọdịnihu. Iji ma atụ, e nwere ike isite etu osimiri si ehù mata etu ọ ga-esi nyedebe ọkụ latiriki na-enwu enwu. Ọ bụ ụdịdị mmiri a họọrọ ga-egosi ụdị ọkụ latiriki a ga-enwe. Ihe ọ pụtara bụ na mmadụ nwere ikike nhọ̀rọ. Ọ bụ ya bụ isi ihe Clement na Gentner na-akọwa ebe a. Isi àgwara nwere ikike ịhọrọ okwu ndị kwesịrị ka ya na ha gakọọ na nseke data dị ka ọmụma e nweburu si dị ma kọwaa ha dị ka ọnọdụ si dị. Clement na Gentner (1988) ji ahịrịokwu Bekee a nye àtụ̀; 'A wife is like an umbrella: Sometimes one takes an umbrella.' N'ahịrịokwu, e nwekwuru ike inwe 'prostitute na taxi.' Na nseke ha, a ga-asị na 'wife' bụ nwunye mmadụ onye nwere ịhụnanya siri ike n'ebe di ya nọ. 'Prostitute nwere ịhụnanya n'ebe enyi ya nwoke nọ, mana ịhụnanya ahụ anaghị adịgide. N'aka nke ọzọ, 'taxi' bụ ụgbọala na-ana ego were ebugharị mmadụ. 'Umbrella n'aka nke ya bụ ihe mmadụ nwe n'onwe ya. N'ebe a, e nwere ike inweta òtù okwu dị iche iche. Ihe ndị na-adịgide adịgide na ndị anaghị adịgide. Ezigbo ịhụnanya na nke abụghị ezigbo ya. Ihe ndị mmadụ nwe na ihe ndị mmadụ enweghị.

**Urù atụtụ mmado mbụrụ**

Atụtụ mmado mbụrụ nwere akụrụ nnọchi ndị e ji anọchite anya ihe a na-akọwa. Nke a bụ iji hụ na data a na-enyocha dị mfe nghọta. Akụrụ ndị ahụ bụ okwu nnọchite, okwu mwepụ, okwu mmado, okwu mgbanwo, okwu nnyocha na okwu nnabata. Ọ bụrụ na e nwere nsogbu nchọcha a chọrọ igbò, a na-eji otu n'ime okwu ndị ahụ wee tụchaa ya. Ọ dị mkpa ikwu ebe a na etu e si jiri akụrụ nnochi rụ ọrụ nwere ike ime ka nseke data dị mfe nghọta maọbụ sie nnukwu ike nghọta. E jikwa atụtụ a achọpụta okwu ndị yitere onwe ha, ma nye arụmaka etu a ga-esi dezikwu ha.

**Nseke ǹgànùsòròǹsìnọ́nọ̀dụ̀ okwū**

Ọ bụ atụtụ mmado mbụrụ ka e ji nyochaa nsinọnọdụ okwu dị ka ọ metụtara akpaala okwu ebe a. N'itinye atụtụ mmado mbụrụ n'ọrụ, Clement na Gentner (1988), mere ka a mata na amamihe mmadụ nwere gbasara otù ngalaba amụmamụ nwere ike inyere ya aka ịghọta ngalaba amụmamụ ọzọ. Nke a ga-eme ka ọ ghọta myiri ha nke ọma ma mara ọdịdị ngalaba ǹke abụọ na etu o nwere ike ịdị n'ọdịnihu. Iji maa atụ, e nwere ike isite etu osimiri si ehù mata etu ọ ga-esi nyedebe ọkụlatrikina-enwu enwu. Ọ bụ ụdịdị mmiri a họọrọ ga-egosi ụdị ọkụ eletrik a ga-enwe. Ihe ọ pụtara bụ na mmadụ nwere ikike nhọ̀rọ. Ọ bụ ya ka Clement na Gentner na-akọwa ebe a. Isi àgwara nwere ikike ịhọrọ okwu ndị kwesịrị ka ya na ha gakọọ na nseke data dị ka ọmụma e nweburu si dị ma kọwaa ha dị ka ọnọdụ si dị. N'akpaalaokwu ndị eji ma atụ na nkeji a, a ga-achọpụta na ngwaa niile dị na ha nwegbadoro mkpọaha ndị ha họọrọ ha na ha gara n'usoro.

E ji mmado mbụrụ nyocha akpaalaokwu Igbo na nkeji a. Akpaalaokwu bụ atụmatụ okwu Igbo na-enwe nghọta nsere elu na nke omimi. Dị ka mmado mbụrụ si enyocha data, o wepụtara isi agwara akpaala okwu nke ọ bụla ma gosi ọnọdụ mbụrụ na ọnọdụ nkịtị ha nwere. E gosikwara etu ngwaa mebere akpaala okwu ọbụla si họrọ mkpọaha ndị sitere n'akụkụ ahụ mmadụ dị ka isi, ire, anya, d.g.

1. **Uchenna jụrụ anya oyi.**

   a. Uche nwere anya jụrụ oyi - ọnọdụ nkịtị.

   b. Uchenna na-atụ egwu n'ime ihe –mmado echiche.

N'ọmụma atụ 1, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ịjụ anya oyi*. E ji anya bụ akụkụ ahụ mmadụ e ji ahụ ụzọ wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ bụ uchenna bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ jụrụ bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ anya bụ mkpọaha nke abụọ ebe okwu nke anọ bụ oyi bụ nkọwaaha. 1a weere ọnọdụ nkịtị pụtara na Uchenna nwere anya jụrụ oyi. 1b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na uchenna na-atu egwu n'ime ihe.

2. **Ǹkèchi gòsìrì yà àzụ akā.**

a. Nkechi gosiri ya azụ aka ya - ọnọdụ nkịtị.

b Nkechi agwaghị ya eziokwu - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ2, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ịgosi azụ aka*. E ji 'aka' bụ akụkụ ahụ mmadụ e ji arụ ọrụ wee mere isi agwara akpaala okwu a. Okwu nke mbụ bụ Nkechi bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ 'gosiri' bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ 'ya' bụ nnọchiaha mkpọolu onye nke atọ; 'azụ' bụ aha nkọwa ebe 'aka' bụ mkpọaha nke abụọ. 2a weere ọnọdụ nkịtị nke pụtara na Nkechi tụgharịrị aka ya gosi ya ebe azụ, ebe 2b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Nkechi agwaghị ya eziokwu.

3. **Ezè lèrè yà ajọ̄ anya.**

a. Eze lere ya anya jọrọ njọ - ọnọdụ nkịtị.

b. Eze cheere ya echiche ọjọọ - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ3, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ile ajọ anya*. E ji anya bụ akụkụ ahụ mmadụ e ji ahụ ụzọ wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ n'akpaalaokwu a bụ Eze bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ lere bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ ajọ bụ nkọwa ebe okwu nke anọ bụ anya bụ mkpọaha. 3a weere ọnọdụ nkịtị nke pụtara na Eze ji mkpụrụ anya ya abụọ lee ya anya etu jọrọ njọ. 3b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Eze cheere ya echiche ọjọọ.

4. **Ekpereka chị obi n'aka**

a. Ekpereka ji aka ya chịrị obi ya - ọnọdụ nkịtị.

b. Ekpereka na-eche uche - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ4, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ịchị obi n'aka*. E ji obi bụ akụkụ ahụ mmadụ na-awụsa ọbara n'ahụ niile mere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ n'akpaalaokwu a bụ Ekpereka bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ chị bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ obi bụ mkpọaha nke abụọ; okwu nke anọ bụ *na* bụ mbuụzọ ebe okwu dị n'azụ mbuụzọ bụ *aka* bụ mkpọaha nke atọ. 4a weere ọnọdụ nkịtị nke pụtara Ekpereka iji aka chịrị obi ya a ghụpụtara aghụpụta.

5. **Obi kpọrọ Ùde nkụ**

a. Obi Ude kpọrọ nkụ - ọnọdụ nkịtị.

b. Ude anabataghị arịrịọ niile a rịọrọ ya - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ5, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *obi ịkpọ nkụ*. E ji obi bụ akụkụ ahụ mmadụ na-awụsa ọbara n'ahụ niile wee mere isi agwara akpaala okwu a. Okwu nke mbụ n'akpaala okwu a bụ obi bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ kpọrọ bu ngwaa; okwu nke atọ bụ Ude bụ mkpọaha ebe nkụ bụ aha nkọwa. 5a weere ọnọdụ nkịtị nke pụtara na obi Ude kpọrọ nkụ etu achịcha si akpọ nkụ. 5b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Ude anabataghị arịrịọ niile a rịọrọ ya.

6. **Ụwa saara nwoke ahụ aka.**

a. Ụwa sapụrụ aka che n'ihu nwoke ahụ - ọnọdụ nkịtị.

b. Ihe na-agara nwoke ahụ nke ọma - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ6, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ*ụwa ịsa ute*. E ji ụwa nke bụ ebe obibi mmadụ Chineke kere weemere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ n'akpaalaokwu a bụ ụwa bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ saaara bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ mkpọaha nke abụọ; okwu nke atọ bụ ahụ bụ nrụ aka ebe okwu nke ise bụ aka bụ mkpọaha. 6a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtarana ụwa sapụụrụ nwoke ahụ aka ka o kuru ya ma ọ bụ ka o were ihe. Ebe a, e nyere ihe enweghị ndụ bụ ụwa ọnọdụ ihe dị ndụ.6b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na ihe na-agara nwoke ahụ nke ọma.

7. **Ebuka mere aka n'ọnụ**

a. Ebuka metụrụ aka n'ọnụ ya - ọnọdụ nkịtị.

b. Ebuka riri nri - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ7, akpaala okwu e nwere ebe a bụ *ime aka n'ọnụ*. E ji ọnụ nke bụ akụkụ ahụ mmadụ e ji eri nri, ekwu okwu,wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ dị n'akpaala okwu ahụ bụ Ebuka bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ mere bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ aka bụ mkpọaha nke abụọ; okwu nke anọ bụ *na* bụ mbuụzọ ebe okwu nke ise bụ ọnụ bụ mkpọaha nke atọ. 7a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Emeka weliri aka metụ aka n'ọnụ ya. 7b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Ebukariri nri.

8.**Anya kara Chibuzọ aka**

a. Anya kara Chibuzọ aka - ọnọdụ nkịtị.

b. Chibuzọ anaghị atụ egwu - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ8, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *anya ịka aka*. E ji anya nke bụ akụkụ ahụ e ji ahụ ụzọ wee mere isi agwara akpaala okwu a. Okwu nke mbụ bụ anya bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ kara bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ Chibuụzọ bụ mkpọaha nke abụọ, ebe okwu nke anọ bụ aka bụ mkpọaha nke anọ. 8a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na anya Chibuzọ akaala aka dị ka nke onye torola eto. 8b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Chibuzọ anaghị atụ egwu.

9. **Agụụ bere Chinenye ntị.**

a. Agụụ ji mma bere Chinenye ntị - ọnọdụ nkịtị.

b. Agụụ gụsiri Chinenye ike - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ9, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *agụụ ibe ntị*. E ji anya nke bụ akụkụ ahụ e ji ahụ ụzọ wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ bụ agụụ bụ mkpọ aha; okwu nke abụọ bụ bere pụtara ngwaa; okwu nke atọ bụ Chinenye bụ mkpọ aha nke abụọ, ebe ntị bụ mkpọaha nke atọ. 9a weere

ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na agụụ ji mma bere Chinenye ntị. N'ebe a, e nyere ihe enweghị ndụ bụ agụụ ọnọdụ ihe dị ndụ. 9b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ na agụụ gụsiri Chinenye ike.

10. **Anya erughị Amara ala.**

a. Amara eletughị anya ala - ọnọdụ nkịtị.

b. Amara anaghị akpachapụ anya - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ 10, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *anya iru ala*. E ji anya nke bụ akụkụ ahụ e ji ahụ ụzọ wee mere isi agwara akpaala okwu a. Okwu nke mbụ bụ anya bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ erughị bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ Amara bụ mkpọ aha nke abụọ, ebe okwu nke anọ bụ ala bụ mkpọaha nke atọ. 10a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Amara eletughị anya ya ala. 10b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ na Amara anaghị akpachapụrụ ihe anya.

11. **Ụkọ egona-ahịọ nwaanyị ahụ ọnụ.**

a. Ụkọ ego jidere ọnụ nwaanyị ahụ na-ahịkọ - ọnọdụ nkịtị.

b. Ụkọ ego emesiela nwaanyị ahụ ike - ọnọdụ.

N'ọmụma atụ 11, akpaala okwu e nwere ebe a bụ *ịhịọ ọnụ*. E ji ọnụ nke bụ akụkụ ahụ e ji ekwu okwu, eri ihe wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ bụ *ụkọ* bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ *ego* bụ mkpọaha nke abụọ; okwu nke atọ bụ *na* bụ nnyemaka ngwaa; okwu nke anọ bụ *ahịọ* bụ mmeka ngwaa; okwu nke ise bụ *nwaanyị* bụ mkpọaha nke atọ; okwu nke isii bụ *ahụ* bụ nrụ aka ebe okwu nke isii bụ ọnụ bụ mkpọaha nke anọ. 11a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na ụkọ ego jidere ọnụ nwaanyị ahụ na-ahịkọsị. E nyere ihe enweghị ndụ bụ ụkọ ego ọnọdụ ihe dị ndụ. 12b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ naụkọ ego emesiela nwaanyị ahụ ike.

12. **Eze hụsiri anya**

a. Eze ji anya ya hụgide ihe ike gwụ ya.

b. Eze tara ahụhụ n'ije ahụ.

N'ọmụma atụ 12, akpaala okwu e nwere ebe a bụ *ịhịọ ọnụ*. E ji anya nke bụ akụkụ ahụ e ji ahụ ụzọ wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Okwu nke mbụ bụ Eze bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ hụsiri bụ ngwaa, ebe okwu nke atọ bụ anya bụ mkpọaha nke abụọ. 12a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Eze ji anya ya hụgide ihe ike gwụ ya. 12b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ na Eze tara nnukwu ahụhụ n'ije ahụ.

13. **Chideraa dejiri mkpịsị n'ule.**

a. Chideraa degidere ihe mkpịsị edide ya gbajie - ọnọdụ nkịtị.

b.Chideraa detara ihe nke ọma n'ule - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụmaatụ 13, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ideji mkpịsị*. E ji mkpịsị odee nke bụ akụrụ ngwa edide wee mere isi agwara akpaala okwu a. Na 13, okwu nke mbụ bụ Chideraa bụ mkpọ aha;

okwu nke abụọ bụ dejiri bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ mkpịsị bụ mkpọaha; okwu nke anọ bụ na bụ mbuụzọ ebe okwu nke ise bụ ule bụ mkpọaha. 13a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Chideraa degidere ihe mkpịsị edide ya gbajie. 13b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara naChideraa detara ihe nke ọma n'ule.

14. **Azụka nwere ogologo akpịri.**

a. Akpịrị Azụka toro ogolgo - ọnọdụ nkịtị.

b. Azụka na-asa oke ụsa - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ 14, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ịsa ụsa*. E akpịrị wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Na 14, okwu nke mbụ bụ Azụka bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ nwere bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ ogolo bụ nkọwa ebe okwu nke anọ bụ akpịrị bụ mkpọaha nke abụọ n'akpaalaokwu ahụ. 14a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Akpịrị Azụka toro ogolgo. 14b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ na Azụka na-asa oke ụsa.

15. **Chiamanda akpụọla iku anya**

a. Chiamanda ji agụba kpụọ iku anya ya - ọnọdụ nkịtị.

b. Chiamanda anaghịzi eme ihere - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ 15, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ịkpụ iku anya*. E ji iku anya nke bụ ajị na-adị na mbubere anya mmadụ wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Na 15, okwu nke mbụ bụ Chiamanda bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ akpụọla bụ ngwaa ndịmecha; okwu nke atọ bụ iku bụ nkọwa ebe okwu nke anọ bụ anya bụ mkpọ aha nke abụọ. 15a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Chiamanda ji agụba kpụọ iku anya ya. 15b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ na Chiamanda anaghịzi eme ihere.

16. **Akachukwu ji ntị chọ mma.**

a.Akachukwu ji ntị ya deziee onwe ya - ọnọdụ nkịtị.

b. Akachukwu na-eme nnukwu isi ike - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ 16, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *iji ntị chọ mma*. Na 16, e ji ntị nke bụ akụkụ ahụ e ji anụ ihe wee mere isi agwara akpaala okwu a. Na 16, okwu nke mbụ bụ Akachukwu bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ ji bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ ntị bụ mkpọaha nke abụọ; okwu nke anọ bụ chọ bụ ngwaa ebe okwu nke ise bụ mma bụ mkpọaha nke atọ. 16a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Akachukwu ji ntị ya deziee onwe ya ka ọ maa mma, ebe16b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Akachukwu na-eme nnukwu na-enupu isi.

17. **Ire dị Uche nkọ.**

a. Ire Uche dị nkọ ka mmà nkọ̄ - ọnọdụ nkịtị.

b. Uche na-ekwute okwu/Uche bụ onye asịrị - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ 17, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ire ịdị nkọ*. Na 17, e ji ire nke bụ akụkụ ahụ e ji ekwu okwu, anụ ụtọ ihe wee mere isi agwara akpaalaokwu a. Na 17, okwu nke mbụ bụ ire bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ dị bụ ngwaa; okwu nke abụọ bụ Uche bụ mkpọ aha nke abụọ ebe okwu nke anọ bụ nkọ bụ mkpọ aha nke atọ.17a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na ire Uche dị nkọ ka mmà nkọ̄. 17b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ na Uche na-ekwutere okwu maọbụ na Uche bụ onye asịrị.

18. **Nwaanyị ahụ epuola eze elu.**

a. Nwaanyị ahụ puru eze nke elu ọnụ - ọnọdụ nkịtị.

b. Nwaanyị ahụ emeela arụ - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụmaatụ 18, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ *ipu eze elū*. Na 18, e ji eze nke bụ akụkụ ahụ mmadụ e ji ata ihe mere isi agwara akpaalaokwu a. Na 18, okwu nke mbụ bụ nwaanyị bụ mkpọ aha; okwu nke abụọ bụ 'ahụ' bụ nrụaka, okwu nke atọ bụ 'puru' bụ ngwaa; okwu nke anọ bụ 'eze' bụ mkpọaha nke abụọ; okwu nke ise bụ nke bụ nnọchi nkọwa; okwu nke isii bụ eze bụ mkpọaha ebe okwu nke asaa bụ elu bụ ahankọwa. 18a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na nwaanyị ahụ puru eze nke elu ọnụ. 18b weere ọnọdụ mbụrụ nke mpụtara ya bụ na nwaanyị ahụ emeela arụ.

19. **Amaka nwere anya ukwu.**

a. Amaka nwere anya buru ibu - ọnọdụ nkịti.

b. Amara bụ onye oke ọchịchọ - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụmaatụ 19, akpaalaokwu e nwere ebe a bụ*inwe anya ukwu*. Na 19, e ji anya nke bụ akụkụ ahụ mmadụ e ji ahụ ụzọ mere isi agwara akpaalaokwu a. Na 19, okwu nke mbụ bụ Amaka bụ mkpọaha; okwu nke abụọ bụ 'nwere' bụ ngwaa; okwu nke atọ bụ anya bụ mkpọaha ebe okwu nke anọ bụ ukwu bụ nkọwa. 19a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Amaka nwere anya buru ibu. 19b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Amara bụ onye oke ọchịchọ.

20. **Nnaemeka gbara isi akwara.**

a.Nnaemeka gbara akwara n'isi ya - ọnọdụ nkịtị.

b. Nnaemeka kachiri ntị - ọnọdụ mbụrụ.

N'ọmụma atụ20, akpaalaokwu e nwere bụ*igba isi akwara*. Na 20, e ji isi nke bụ otu n'ime akụkụ ahụ mmadụ ji ndụ mere isi agwara akpaalaokwu a. Na 20a, okwu nke mbụ bụ Nnaemeka bụ mkpọ aha, okwu nke abụọ bụ 'kachiri' bụ ngwaa ebe okwu nke atọ bụ 'ntị' bụ mkpọ aha nke abụọ. 20a weere ọnọdụ nkịtị nke mpụtara ya bụ na Nnaemeka gbara akwara n'isi ya. 20b weere ọnọdụ mbụrụ nke pụtara na Nnaemeka kachiri ntị mee ihe ọ chọrọ ime.

**Nchịkọta na Mmechi**

E ji atụtụ mmado mbụrụnyochaa nsinọnọdụ okwu dị ka o si metụta akpaalaokwu n'ederede a. E ji mmado mbụrụ nyocha akpaalaokwu Igbo na nseke data.A kọwara na akpaalaokwu Igbo bụ atụmatụ

okwu Igbo na-enwe nghọta nsere elu na nke omimi. Dị ka mmado mbụrụ si enyocha data, o wepụtara isi agwara akpaala okwu nke ọ bụla ma gosi ọnọdụ mbụrụ na ọnọdụ nkịtị ha nwere. E gosikwara etu ngwaa mebere akpaalaokwu ọbụla si họrọ mkpọaha ndị sitere n'akụkụ ahụ mmadụ dị ka isi, ire, anya, d.g. E gosigbadoro ọnọdụ nkịtị na ọnọdụ mbụrụ akpaalaokwu ọbụla e ji seke data.

**Edensibịa**


Atkins, J. (1998). *Lexical semantics.* Montreal: Black Rose Books. London: Cambridge University press.

Atụenyi, A.N. (2009). "The misuse of English concord among continuing education programme students." Unpublished project of the department of English Language and Literature, Nnamdị Azikiwe University, Awka.

Austin, J.L. (1962). *How to things with words.*Oxford: Oxford University Press.

Baker, M. C. (2008). *The Syntax of agreement and concord*. London: Cambridge University Press.

Besten, H. (1986). Double negation and the genesis of Afrikaans, in Pieter Muysken and Norval, Smith (eds.), Substrata versus universals in Creole languages, John Benjamins, Amsterdam, *5* (3), 185-200.

Biber D., Stig J., Geoffery L., Susan C.,& Fineger E. (1999). *Longman grammar of spoken & written English*. London: Longman.

Bergman, B., & Wallin, L. (1985). 'Sentence structure in Swedish sign language', in W. C. Stokoe and V. Volterra (eds.), proceedings of the third international symposium sign language research. Rome, June 22–26 1983. Rome/Silver Spring, Md.: CNR/Linstok Press, 217–25.

Bock K. & Miller C. (1991). Broken Agreement: Cognitive Spychology. Journal of memory and language, *3* (40), 330–346.

Udemmadụ, T. (2012). "Ungrammaticality in Igbo." *Unizik Journal of Arts and Humanities*,

Ilechukwu, I. (2017). *Kpọkọpị ụtọasụsụ Igbo*.Awka: Divine Press.

Ilechukwu, D.I. (2023). "Nganusoro Dị ka Ọchikwa na Nhọrọ Ngwaa na Mmeju." *Igirigi: A Multidisciplinary Journal of African Studies. Vol. 3. No 1, 2023*

Mbah, B. M.,& Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ.*Nsukka: University of Nigeria Press

Watanebe, Akira (2004). The genesis of negative concord: Syntax and morphology of negative doubling . Linguistics inquiry 35:559-612.

Welmers, E. (1970). *African Language Studies*. Berkeley: University of Carlifornia Press.

Yule, G. (1996). *The study of language*, (2nd ed.). Cambridge: Cambridge University Press.

Giannakidou, A. (1997). The landscape of polarity items, Ph.D. Dissertation, University of Groningen.

Viberg, A. (1999). *Polysemy and differentiation in the lexicon.*In J. S. Allwood & Greenford P. (Eds), Cognitive Semantics. Amsterdam: John Benjamins Publishers.